# EMUME ÀJỤ́ N'OBODO UGWULANGWU NKE STEETI EBỌNYỊ

**By**
**Ogechukwu F. Chukwuneke, Chinedu C. Ezebube and Blessing C. Ede**
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
ogechukwu.chukwuneke@unn.edu.ng; chinedu.ezebube@unn.edu.ng

Correspondence: Chinedu C. Ezebube

**Ụmị**
Ọrụ nchọcha a lebara anya n'emume Àjụ́ n'obodo Ugwulangwu nke steeti Ebọnyị. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ka emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu si malite; ileba anya n'usoro emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu; ịchọpụta uru emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu bara na ịmata ọghọm dị n'emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu. Usoro nnweta njiatụle bụ site n'ịgba ndị a họpụtara ajụjụ ọnụ. E jikwa atụtụ ndịnọrụ rụọ ọrụ na nchọcha a. Emume Àjụ́ bidoro n'obodo Ugwulangwu site n'agha ndị obodo Ugwulangwu na ndị mpaghara Ọhaọzara ndị ọzọ lụrụ. Ha kwenyere na anwụrụ ọkụ si n'ihe a na-akpọ ẹkịrịkọ n'obodo Ugwulangwu kpuchitere ha n'aka ndị iro bịara ibuso ha agha. Ha kpokọrọ ntụ ẹkịrịkọ ahụ, chụọrọ ya aja, gụọ ya Àjụ́ Ugwulangwu, ma kwekọrịta na a ga na-eme emume Àjụ́ kwa afọ iji chụọrọ ntụ ẹkịrịkọ ahụ aja ma chetara ya ọrụ ọma ọ rụụrụ ha site n'ikpuchite ha n'aka ndị iro ha. E lebara anya n'usoro emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu nke gụnyere ịpịa ji nzu, Nkwọ Ẹgụnwagbọọ, ịzụ ahịa Orie Àjụ́, mmemme alụmdi na nwunye, Eke Àjụ́, Orie Àjụ́, Afọ Àjụ́ na Nkwọ Àjụ́ (mkpọkọrọ Nkwọ). A chọpụtara uru emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu bara dị ka nkwalite ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya nakwa ime ka ezinụlọ mata onwe ha. A hụtakwara ọghọm dị n'emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu na nchọcha a nke gụnyere oke mmefu ego nakwa mbute oke ekworo na anya ụfụ n'obodo.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Ebọnyị; Emume; Omenala; Àjụ́; Igbo

## Mkpọlite

Omenala dị ọkpụtọọrọọkpụ. Nke a pụtara na omenala malitere mgbe gboo nke bụ onye tolite, o tokwuru ya. Omenala bụ nchịkọta usoro ebimndụ niile, omume niile e ji mara ndị, nkwenye niile, ihe enwe enwe niile, d.g. Omenala ndị nwere ike ịgụnye asụsụ ha, echiche ha, ọdịnala ha, nsọ ha, usoro ekpemekpe ha, ọdịmara na alụmalụ ha, ewumewu, ngwa ọrụ, usoro ọrụ, achụmaja, mmemme na emume ha niile. Obodo niile dị iche iche n'ụwa niile gbaa gburugburu nwere omenaala e ji mara ha. Omenala abụghị nke otu onye ma ọ bụ otu obodo nwe; kama, ọ bụ ihe gbasara onye ọ bụla. Ọfọmata (2012) hụtara omenala dị ka ihe na-egosipụta ka ndị mmadụ si ebi ndụ ha, eme ihe nke ha, nakwa na-egosipụta akparamagwa na njirimara obodo ha n'uju. O kwuru na e nwere ọtụtụ omenala ndị na-eme, nke nwere iwu na usoro na-achị ha nke gụnyere: mmọnwụ, ịgba mgba, emume, egwu ọnwa, ọmụgwọ, echichi, ekike na oriri. O kwukwara na emume ndị a niile bụ usoro omenala ka e ji ezipụta ha, na ọ bụkwa mmemme ndị Igbo na-eme mgbe o ji dabara ha. Ugwu (2015) mere ka a mata na emume bụ ụzọ ndị Igbo si egosipụta omenala, echiche obi, okwukwe, nkwenye, agwụgwa, na akparamagwa ha site n'agbụrụ ruo n'agbụrụ. Ọzọ kwa bụ na emume bụ ụzọ ndị Igbo si egosipụta omenala nke a kọrọ akọ ma ọ bụ ekwumekwu nke edeghị ede n'akwụkwọ.

Emume bụ ihe egwuregwu nke mmadụ na ibe ya ji emekọrịta, bụ nke enweghị ike ime mgbe ọ bụla. Ọ bụ oge mmemme dị ka obodo si kwadobe nke a na-agbakwụnye ya ihe ịchọ mma dị iche iche. Emume na mmemme bụ nke ọtụtụ ndị na-ahụta dịka otu ihe. Mmemme bụ emume nke a na-enwekarị ihe obi ụtọ na ya. Ọgbalụ (1974) kwuru na emume bụ oge e ji aṅụrị, eri ihe niile dị iche iche dịka ji, ụtara, ọkpa, osikapa, mmanya, anụ, azụ na ihe ndị ọzọ nke ndị Igbo ụfọdụ adịghị eri ma ọ bụghị ụbọchị emume. Ụfọdụ na-ewere osikapa dị ka oke ihe. Ya mere mgbe ha ji eri ya bụ naanị ụbọchị emume. Emume dị ka Brandt (2012) kwuru, bụ nke ndị obodo ma ọ bụ ọha na eze gbakọrọ ọnụ mee iji merube okpukpere chi ma ọ bụ omenala na nkwenye nke ya bụ obodo ma ọ bụ ndị kwenyere na ya. Ọ gakwara n'ihu kọwapụta na ụbọchị emume na-abụkarị ụbọchị ezumike nye obodo ọbụla ya bụ emume metụtara. E nwekwara ụdị emume ndị ọzọ e nwere ike ịhụta dị ka emume mkpa ọchị, emume egwu ụdị ọlọrọ ọhụrụ dị iche iche (dị ka Jaazị na Rọọkụ), emume abụ, emume ejije nkiri, emume agụmagụ ọnụ, na emume ndị a ga-esinwu na ha cheta ihe ndị gara aga. Haine (2006) kọwara na ọtụtụ emume bụ nke nsiripuru ha bụ okpukpere chi na nkwenye ma ọ bụkwa nke nwere ihe ịrịba ama dị ka o si metụta okpukpere chi na omenala ndị ma a bịa n'ọdịnala obodo dị etu ahụ.

E nwere omenala dị iche iche a na-emegasị n'ala Igbo; obodo ọ bụla nwere omenala pụrụ iche e ji mara ha. N'ime omenala ndị a, o nwere nke na-apụtakarị ihe e ji mara ha. N'obodo Ugwulangwu, e nwere omenala dị iche iche mana omenala kacha pụta ihe bụ emume Àjụ́. Emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu bụ emume nke a na-eme n'afọ ọ bụla. Ọ bụ emume jikọtara ndị Ugwulangwu niile ọnụ. Emume Àjụ́ bụ emume a na-eme iji mechie afọ nakwa bido afọ ọhụrụ (mkpọrọ ihu afọ) n'obodo Ugwulangwu. Emume Àjụ́ bụ emume ndị Ugwulangwu ji ekele Chineke n'ihi nchekwa ya nakwa onyinye na ihe ọma dị iche iche meere ndị mmadụ n'obodo Ugwulangwu. N'ime emume Àjụ́, a na-akpọku mmụọ ọma n'ezinụlọ ọ bụla ma chụọ ajọ mmụọ n'obodo Ugwulangwu. A na-emezu nkwa ọ bụla mmadụ, ezinụlọ ma ọ bụ obodo kwere arụsị Àjụ́ oge a na-eme emume Àjụ́ n'obodo Ugwulangwu. A na-eme emume Àjụ́ nke Ugwulangwu otu ugboro n'afọ. Nwaji (2022; ajụjụ ọnụ) kwuru na emume Àjụ́ bụ emume mmechi nakwa mbido afọ n'obodo Ugwulangwu. Ọ kpọrọ ya emume ekeresimesi na emume aṅụrị afọ ọhụrụ nke ndị Ugwulangwu.

Ugwulangwu bụ otu n'ime obodo dị n'ime okpuru ọchịchị Ọhaọzara nke dị na steeti Ebọnyị. Ọhaọzara nwere ọnụmara atọ: Uburu, Ọkpọsị na Ugwulangwu. Ugwulangwu nwere ọnụmara iri na abụọ ndị gụnyere: Ufuezerakụ, Amene, Amandim, Ụmụigboke, Amata, Amaogudu, Amenu, Mgbom, Ọhaẹchara, Ọhọfịa, Ufuovoke na Ufuọtarụ. A bịa na ntụ maapụ ụwa, a ga-ahụ okpuru ọchịchị Ọhaọzara na mpaghara ọwụwa anyanwụ mgbago ugwu nke Ugwulangwu dị n'ime ya. Ebumnuche nchọcha a kpọm kwem bụ ime nchọcha banyere emume Àjụ́ nke ọma nke ga-enye aka n'ịkwalite emume Àjụ́ n'obodo Ugwulangwu n'ihi na emume Àjụ́ a bụ emume pụrụ iche nke ekwesighi ịgba nkịtị ka ọ nwụọ. N'ụzọ dowagara anya, mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ka emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu si malite; ileba anya n'usoro emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu; ịchọpụta uru emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu bara; na ịmata ọghọm dị n'emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu.

**Atụtụ nchọcha**

Ọrụ nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ ndịnọrụ ma nyochaa isi okwu ya n'ihi na atụtụ ndịnọrụ bụ atụtụ ka dabaa nke ọma n'isi okwu e ji eme nchọcha a. A họọrọ atụtụ a n'ihi na nchọcha a na-agbakwasị ụkwụ n'emume Àjụ́ n'obodo Ugwulangwu. Ndị chọpụtara atụtụ ndịnọrụ bụ Herbert Spencer, Emile Durkheim, Talcott Parsons na Robert Merton n'agbata afọ (1820-1903). Spencer

hụrụ myiri dị n’etiti obodo na mmadụ; arụmarụ ụka ya bụ na dị ka otu akụkụ ahụ dị iche iche si arụkọ ọrụ, otu ahụ ka mpaghara obodo niile na-arụkọ ọrụ iji mee ka obodo na-aga n’ihu (Spencer, 1898).Ha kwenyere na dị ka mmadụ si nwee akụkụ ahụ dị iche iche dị mkpa ma jikọọ ọnụ iji mee ka ahụ mmadụ rụọ ọrụ o kwesịrị ịrụ nke ọma, otu ahụ ka otu ọ bụla si nwee akụkụ dị iche iche jikọrọ ọnụ ma kwụrụ onwe ha na-arụ ọrụ kwesiri ha ịrụ n’obodo. Echiche kacha pụta ihe gbasara atụtụ ndịnọrụ bụ na emume bara uru naanị mgbe o metụtara ọnọdụ obibi ndụ nke ndị obodo o sitere na ya malite. Ya bụ na e ji atụtụ ndịnọrụ egosi na emume dị mkpa nyere obodo emume ahụ dị na ya n’ihi na ha na-arụ ọrụ metụtara okpukpere chi, ndọrọ ndọrọ ọchịchị, agụmakwụkwọ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

**Nchọcha ndị e merela n’isi okwu**

Na mpaghara nke a, a ga-enyocha ọrụ nchọcha ndị e merela yitere nchọcha nke a na-eme. A ga-atụle ọrụ ndị a ma chọpụta oghere nchọcha nke a chọrọ imechi. Oniru (2017) mere nchọcha banyere emume *Eyọ* nke ndị Ekoo. Emume *Eyọ* a bụ nke e nwekwara ike ịkpọ ejije. Oniru nwetara data o ji mee nchọcha ya site n'ịgba ndị okenye karịrị iri ise n’ọnụọgụ ajụjụ ọnụ. Ọ bụzi azịza o nwetara n’ọnụ ndị okenye ahụ ka o ji mee nchọcha ya. Site na nchọpụta Oniru, mkpụrụ okwu a bụ *Eyo* bụ nke nwekwara ike ịpụta ndị ọgba egwu yichiri ahụ ha ma ọ bụ mmọnwụ. Ya bụ emume bụ nke nsiripuru ya si n'aka ndị otu nzuzo dị iche iche dị n’obodo Ekoo. Na mgbe gboo, emume *Eyọ* bụ emume a na-eme iji dulaa mmụọ igwe obodo ala mmụọ ma sikwa n'otu ụzọ ahụ dubata mmụọ igwe/eze ọhụrụ n'ala mmadụ. Ọ chọpụtara na emume *Eyọ* bụzị nke a na-ahụta dị ka ntụziri ụzọ nye ọtụtụ emume dị iche iche na-eme na Brazil. N'ụbọchị a na-eme *Eyọ*, a na-egbochi ụzọ dị iche iche ka ndị mmadụ ma ọ bụ ndị ọkwọ ụgbọ ghara ịnapụ ndị mmadụ isonye nke ọma ma ọ bụ ime ka ụzọ ghara ịga were were mgbe a ga-esi n’Idumọta na-aga n'ọba eze Ịga Idunganran. Mmọnwụ *Eyọ* bụ ndị nke na-eyicha uwe ọcha bụ ndị nke a na-ahụta dị ka mmụọ ndị nna ochie nwụrụla anwụ, nke ndị Yoruba na-akpọ *Eyọ* (ya bụ Ogologo *Eyọ* ma a tụgharịa ya n'okwu n'okwu). Emume ngagharị mbụ e mere bụ nke e mere n’ụbọchị nke iri abụọ nke ọnwa Febụwarị n’afọ 1854, iji dulaa Ọba Akintoye mmụọ. Ka ọ dị ugbu a, okpukpere chi ọdịnala ndị Yoruba abụrụla nke okpukpere chi ndị otu Kraịst na ndị Alakụba nọchirila. Ya bụ mgbanwe n’okpukpere chi metụtara emume *Eyọ* n’ebe ọ dị ukwuu. Ndịmiche dị n’etiti nchọcha Oniru (2017) na nchọcha nke a bụ na nchọcha Oniru gbadoro ụkwụ n'emume Eyọ nke ndị Ekoo, ebe nchọcha nke a lebara anya n’emume Àjụ́ n’obodo Ugwulangwu. Myiri dị n’etiti nchọcha abụọ a bụ na ha abụọ mere nchọcha n’emume.

Agụ (2021) mere nchọcha banyere nsogbu dị n’emume otu nzuzo Odo maka nkwalite ọnọdụ na ebimndụ n’obodo Akụ. Ebumnuche ya bụ ịchọpụta nsogbu dị n’emume otu nzuzo Odo n’obodo Akụ. Ọ chọpụtara na e hiwere otu nzuzo a maka nkwalite ewumewu ndị Akụ n’akụkụ ihe dị ka mmekọrịta, ọchịchị, azụmahịa, mmepụta ejije, inye obi ụtọ na okpukpere chi; mana ha chọpụtara na nsogbu emume otu nzuzo ndị Akụ bụ na ọ naghịzị emejupụta ebumnuche nke e ji hibe ya. Nchọcha Agụ (2021) na nchọcha a yitere onwe ha n’ihi na ha abụọ bụ nchọcha banyere emume. N'aka nke ọzọ, ndịiche dị na nchọcha Agụ (2021) na nchọcha a bụ na nchọcha Agụ gbadoro ụkwụ n’emume otu nzuzo Odo n'obodo Akụ, ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ n’emume Àjụ́ n’obodo Ugwulangwu.

Nnakee-Godwins (2022) mere nchọcha banyere emume Edearọ n’Abagana. Mbunuche nchọcha ya bụ inyocha nsiripuru emume Edearọ, ka e si eme emume Edearọ nakwa mgbanwe batarala n’emume Edearọ. Nnakee-Godwins (2022) chọpụtara na emume Edearọ a bidoro n’aka ndị Ọrọfịa

Abagana mesịa zuo Abagana niile ọnụ. Ọ chọpụtara na emume a bara nnukwu uru n'ihi na ọ na-eweta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọghọm Nnakee-Godwins (2022) chọpụtara dị n'emume Edearọ bụ na ọ na-ebute oke mmefu ego na ihe mberede okporo ụzọ. Nnakee-Godwins (2022) chọpụtakwara na mgbanwe batarala n'emume Edearọ n'Abagana bụ na mbụ, emume Edearọ anaghị ekpo ọkụ ka ọ si ekpo ọkụ ugbua. Ndị mmadụ na-esi obodo dị iche iche abịazị emume Edearọ ugbu a karịa mgbe gboo. Nchọcha Nnakee-Godwins (2022) na nchọcha a yitere onwe ha n'ihi na ha abụọ gbadoro ụkwụ n'emume. Ndịiche dị n'etiti nchọcha Nnakee-Godwins (2022) na nchọcha a bụ na nchọcha Nnakee-Godwins gbadoro ụkwụ n'emume Edearọ n'Abagana ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ n'emume Àjụ́ n'obodo Ugwulangwu.

Eze (2022) mere nchọcha banyere emume Ẹgọrịgọ dị ka omenaala Ụmụodeju dị na Nguru Nsụka. Ebumnuche nchọcha a bụ ịmata ihe bụ Ẹgọrịgọ, ịchọpụta ngwa e ji eme emume Ẹgọrịgọ, ileba anya na mgbanwe ndị batarala n'emume Ẹgọrịgọ kemgbe ndị ọcha bịara. Eze (2022) gbasoro usoro sọvee nkọwa mee nchọcha ya. O si n'ajụjụọnụ ọ gbara ndị okenye iri na abụọ emume Ẹgọrịgọ n'Ụmụodeju doro anya nweta njiatụle. Eze (2022) chọpụtara na emume Ẹgọrịgọ bụ otu n'ime emume ndị Nguru Nsụka na-eme ha ji enwe aṅụrị pụrụ iche. Ọ chọpụtara na a na-eme emume a n'oge ọkọchị.

Na nchọcha Eze (2022), ọ chọpụtara na ngwa ndị e ji eme emume Ẹgọrịgọ gụnyere opi, asha, ogene, ekwe na oro. Ọ chọpụtara na mgbanwe batarala n'emume Ẹgọrịgọ kemgbe ndị ọcha bịara n'obodo Nguru bụ na ekike a na-eke mgbe a na-eme emume Ẹgọrịgọ ugbua abụghịzị ụdị ekike a na-eke mgbe gboo. Ọ chọpụtakwara na ụfọdụ ndị na-eti ikorodo na-anwụchazị ma ụmụ agbọghọ anaghị ezukọta agba egwu ikorodo dị ka ọ dị na mbụ. Ọzọ kwa bụ na a na-emefuzi oke ego n'emume Ẹgọrịgọ n'ihi na ihe a ga-azụta maka emume Ẹgọrịgọ dịzị ọtụtụ karịa ka ọ dị mgbe mbụ. Nchọcha Eze (2022) na nchọcha a yitere onwe ha n'ihi na ha abụọ gbadoro ụkwụ n'emume. Ndịiche dị n'etiti nchọcha Eze (2022) na nchọcha a bụ na Eze mere nchọcha banyere emume Ẹgọrịgọ dị ka omenala Ụmụodeju dị na Nguru Nsụka ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ n'emume Àjụ́ n'obodo Ugwulangwu. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na n'agbanyeghị na e nweela ọtụtụ nchọcha e merela gbasara emume, o nwebeghị nke e mere kpọmkwem gbasara emume a kpọrọ emume Àjụ́ n'obodo Ugwulangwu. Ọ bụ ụzọ iri mperi dị otu a ka nchọcha a chọrọ imechi. Ya bụ na nchọcha a ga-agbakwasị ụkwụ n'emume Àjụ́ n'obodo Ugwulangwu nke dị na steeti Ebọnyị steeti.

**Usoro nchọcha**

A gbasoro usoro ụdị nchọcha kenkọwa sọvee na-arụtụ aka n'ihe ọmụmụ na-egosi etu e si achịkọba data, ya na etu e si gbaso usoro sayensị kwesịrị ekwesị enyocha data na ndị e jiri mee nchọcha. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị Ugwulangwu. Ha gụnyere eze ndị Ugwulangwu, ndị okenye nwoke na nwaanyị, ndị ọrụ Bekee na ndị ọrụ ugbo bụ ndị nọ n'agbata afọ iri ise ruo n'agbata afọ iri itoolu na ise. A họọrọ otu onye n'ọnụmara ọ bụla, tinyere eze ndị Ugwulangwu, otu onye ọzọ nakwa onye isi oche ndị Ugwulangwu. Ya mere ndị e ji mee nchọcha bụ mmadụ iri na ise, ụmụ nwoke iri na ụmụ nwaanyị ise, bụ ndị gụnyere ndị okenye, ndị ọrụ Bekee na ndị na-arụ ọrụ ugbo n'ime obodo, eze obodo, ọzọ na onye isi oche obodo. Ọ bụ mmadụ ndị a ka a gbara ajụjụ ọnụ iji nweta njiatụle e jiri mee nchọcha a.

**Nnyocha njiatụle**

**Ka emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu si malite**
Site n'ajụjụ ọnụ a gbara Nwaji (2022), emume Àjụ́ bidoro n'obodo Ugwulangwu site n'agha ndị obodo Ugwulangwu na ndị mpaghara Ọhaọzara ndị ọzọ nke gụnyere Ọkpọsị, Onitsha-Igboeze, Oshiri na ndị Ụkaawụ. Obodo Ugwulangwu dị n'okpuru ọchịchị Ọhaọzara nke dị na steeti Ebọnyị. Onye mụrụ obodo Ugwulangwu bụ Ezeokechịma. Ọ bụ ya bụ ọkpara Ezekụna. Ezekụna mụrụ Ugwulangwu, Ẹzaa, Nkerefi, Onitsha-Igboeze nakwa obodo ndị ọzọ tinyere ụfọdụ mpaghara Abakaliki. Obodo Ugwulangwu bụ ọkpara n'ime obodo ndị a niile. A kpọrọ ya Ugwulangwu n'ihi na mgbe Ezeokechịma na-alọta ịga biri n'obodo ọzọ a, ọ gara njem dị anya n'ihi na ọ bụ di nta. Mgbe ọ lọghachiri kọọrọ nna ya bụ Ezekụna maka njem ya, nna ya jụrụ ya ebe ọ gara,ọ za ya sị na ya gara ugwu na ngwu. Ọ bụ otu a ka e siri nweta Ugwulangwu. Osisi ahụ a na-akpọ ngwu dị n'ugwu a na-akpọ Nnam Ikegwu. *Nnam Ikegwu* bụ mkpu Ezeokechịma tiri mgbe o rutere osisi ngwu ahụ wee tie "nna m ike agwụ m oo". Ọ bụ otu a ka e si nweta ugwu Nnam Ikegwu nke dị n'obodo Ugwulangwu. Ọ bụkwa Nnam Ikegwu bụ aha ugwu ahụ ruo taa.

Emume Àjụ́ dị ka Nwaji (2022; ajụjụ ọnụ) kwuru na mbụ bidoro site n'agha ndị obodo Ugwulangwu na mpaghara ndị ọzọ n'okpuru Ọhaọzara lụrụ. O kwuru na n'oge agha ahụ, ọ bụ ndị mpaghara ọ bụla n'ime ndị a ha na ndị Ugwulangwu na-alụ agha jide ndị Ugwulangwu ma ọ bụ ndị Ugwulangwu jide mmadụ ọ bụla na mpaghara a ha na ha na-alụ agha, ha akpụrụ onye ma ọ bụ ndị ahụ laa n'obodo ha. A lụsịa agha nke izu ụka ahụ lasaa, eze ndị Onitsha-Igboeze, Ọkpọsị, Oshiri ma ọ bụ Ụkaawụ ezitere eze ndị Ugwulangwu ozi banyere ndị Ugwulangwu niile ha jidere n'oge agha ahụ. Ọ ga-agwa ya mmadụ ole ha jidere, nakwa ihe a ga-eji bịa gbapụta ha, ya bụ, ihe a chọrọ n'aka ndị Ugwulangwu tupu a kpọlatara ha ndị ahụ ha jidere. Ọ na-abụkarị ala ka ha na-anatakarị n'ụgwọ isi ndị ahụ ha jidere. N'otu aka ahụ kwa, ndị Ugwulangwu jide ndị obodo ha na ha lụrụ agha n'izu ahụ, ha akpụrụ ha laa. E mesịa, eze ndị Ugwulangwu ezigara eze ndị obodo ahụ ha na ha lụrụ agha ozi, gwa ya mmadụ ole ha jidere na ihe ha chọrọ n'aka ha tupu a kpọlatara ha ndị ahụ ha jidere.

Nwaji (2022; ajụjụ ọnụ) kwuru na ndị Ọkpọsị, Oshiri na Ụkaawụ gbara izu ibuso ndị Ugwulangwu agha n'otu ụbọchị iji memilaa ha otu ugboro. Ha tụrụ aro ibuso ndị Ugwulangwu agha a n'ụbọchị eke. Ọ bụkwa n'ụbọchị Eke ka ha gara agha ahụ. Ka ụbọchị Eke ha kara ibuso ndị Ugwulangwu agha ruru, ndị Ọkpọsị, Oshiri na Ụkaawụ kwadoro ndị agha ha nke ọma jewe agha. Ndị Ọkpọsị gbara egbe na-aga agha n'Ugwulangwu, ndị Oshimiri gbara egbe na-aga agha n'Ugwulangwu, ndị Ụkaawụ na-agbakwa egbe na-aga agha n'Ugwulangwu. Mgbe ndị Ugwulangwu matara ihe na-eme, ndị agha ha kwadobere otu ha ga-esi buso ndị Ọkpọsị, Oshiri na Ụkaawụ agha nke ha na-abịa ha. Oke dibịa ndị Ugwulangwu a na-akpọ Ose Nwakpaja gara n'obi eze, gwa eze ka ọ kpọọ ndị agha obodo niile. Eze mere otu dibịa siri gwa ya. Ndị agha niile bịara n'obi eze, Ose Nwakpaja gwa ha ka ha je sekọọ ihe a na-akpọ ẹ̣kịrịkọ na mpaghara obodo niile ọ bụla dị n'obodo Ugwulangwu. Mgbe ha sekọchara ẹ̣kịrịkọ na mpaghara obodo ndị a, dibịa ha bụ Ose Nwakpaja gwara eze obodo Ugwulangwu ka ọ mụnye ọkụ n'ẹ̣kịrịkọ ahụ. Eze mere otu dibịa siri gwa ya n'ama obodo n'ihu ọha obodo ndị Ugwulangwu. Mgbe Eze tinyere ọkụ n'ẹ̣kịrịkọ ahụ, o nwughị ọkụ, naanị anwụrụ ọkụ dị n'ẹ̣kịrịkọ ahụ na-apụta.

Nwaji (2022; ajụjụ ọnụ) kwukwara na mgbe ndị Ọkpọsị rutere n'oke ha na nke ndị Ugwulangwu hụ otu oke anwụrụ ọkụ siri kpuchite obodo Ugwulangwu niile, ha gbara ọsọ laghachi n'obodo ha. N'otu aka ahụ, ndị Oshiri na ndị Ụkaawụ rutekwara n'oke ha na ndị Ugwulangwu ma hụ otu oke anwụrụ ọkụ ahụ ka ọ si kpuchite obodo Ugwulangwu niile, hagbaa ọsọ, laghachikwa azụ n'obodo ha. Mgbe ndị obodo Ugwulangwu hụrụ ihe mere; otu anwụrụ ọkụ sí n'ẹkịrị̀kọ si kpuchite ha, Eze ndị Ugwulangwu zitere ụfọdụ ndị okenye n'obodo Ugwulangwu, ha ga kpokọọ ntụ ẹkịrị̀kọ́ ahụ, dobe ma gbuo ọkụkọ were chụọrọ ya aja. Mgbe ha chụsịịrị ntụ ẹkịrị̀rị̀kọ̀ ahụ aja, ha zụta aka igwe sụnye n'ebe ahụ a chụụrụ ntụ ẹkịrị̀kọ̀ ahụ aja.

**Usoro emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu**

Agụeze (2023; ajụjụ ọnụ) kwuru na iji kọwaa n'uju, usoro emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu, a ga-ebu ụzọ depụta ọnwa iri na abụọ mejupụtara afọ n'obodo Ugwulangwu. Ọnwa ndị a gụnyere: ọnwa ukoro, ọnwa oye, ọnwa inyima, ọnwa nsogbu n'ọkpa, ọnwa amọha, ọnwa ji ọhụrụ, ọnwa Ajụ ọgịrịnya, ọnwa efụna, ọnwa nta, ọnwa Nnam Ikegwu, ọnwa ji eze na ọnwa Àjụ́. Emume Àjụ́ na-aga na mpaghara na mpaghara. Mbido emume Àjụ́ na-abụ emume iri ji. Ọ bụ nke a mere ndị agbata obi ndị Ugwulangwu ji asị na ndị Ugwulangwu bụ 'ọkpụ akụ kpụrụ mvụ' n'ihi na ha na-ekwu na iri ji ọhụrụ adịghị mfe, mana ndị Ugwulangwu na-eri ji ọhụrụ, na-emekwa emume Àjụ́. Ọ bụrụ na e rie ji, a gụrụ ụbọchị ruo ụbọchị ikpeazụ a manyere iri ji. N'ụbọchị ikpeazụ ahụ a manyere iri ji ka ji ga-apụta n'ahịa Ugwulangwu (ahịa Nkwọ Ugwulangwu) n'ihi na a pịala ji nzu. Ọ na-abụrịrị n'ụbọchị Nkwọ ka ji na-apụta n'ahịa. A na-akpọ ụbọchị Nkwọ ahụ ụbọchị ntagbu ụnwụ. Ihe nke a pụtara bụ na ụbọchị ahụ bụ ụbọchị ha lafere oge agụụ.

Site n'ajụjụ ọnụ a gbara Okoro (2023), ozugbo e richara ji n'obodo Ugwulangwu, a na-enye izu atọ; Nkwọ mbụ n'izu nke mbụ na-abụ Nkwọ eripụta ji, nke abụọ na-abụ Nkwọ ọdanaanị, Nkwọ nke atọ na-abụ Nkwọ Ẹgụnwagbọọ. Nkwọ Ẹgụnwagbọọ a na-abụ mbido emume Àjụ́ kpọmkwem. Ọ kọwara na tupu Nkwọ Ẹgụnwagbọọ a, ọtụtụ ndị mmadụ na-esi na mba dị iche iche ha bi alọta obodo (Ugwulangwu) maka emume Àjụ́. Okoro (2023; ajụjụ ọnụ) kọwara na ụbọchị Nkwọ Ẹgụnwagbọọ bụ ụbọchị ụmụ agbọghọ alụbeghị di na-egosipụta onwe ha. Ihe oriri na ihe ọṅụṅụ na-adị ebe niile, nwoke ọ bụla hụrụ nne nwunye ya (ọgọ ya nwaanyị nke a na-akpọ nenwọgọ n'olu ndị Ugwulangwu) na-enye ya ego ma ọ bụ azụnye ya ihe. Ọ bụrụ nna nwunye ya (ọgọ ya nwoke) ka ọ hụrụ, ọ zụnye ya mmanya. Ihe a na-akpọ nke a n'obodo Ugwulangwu bụ *ịkwọwo aya*. Ọ kọwakwara na e mesịa nke a, a mara na a zụlatala Àjụ́. Bido n'oge ahụ azụlatara Àjụ́, ndị Ugwulangwu abaa na nsọ. Mmadụ anaghị anwụ n'Ugwulangwu n'oge a. Ọ bụrụ na mmadụ anwụọ, a na-asị na ọnwụ onye ahụ bụ ajọ ọnwụ. Ihe nke a pụtara bụ na onye ahụ nwụrụ ajọ ọnwụ. Dị ka omenala ndị Ugwulangwu si dị, ozu onye ahụ na-eje ili ala. Nke a pụtara na a ga-adọnye ozu onye ahụ n'ala na-akwaghị ya n'usoro elimozu kwesịrị ekwesị n'obodo Ugwulangwu. Ọ bụ otu afọ gasịa ka a ga-eji emenwu elimozu onye ahụ n'usoro kwesịrị ekwesị.

Rufus (2023; ajụjụ ọnụ) kwuru na Nkwọ Ẹgụnwagbọọ gasịa na a ga-akanye ụbọchị Orie nke na-abụ ụbọchị a ga-azụ ahịa Orie Àjụ́. O kwuru na o ruo ụbọchị Orie a kara ịzụ Orie Àjụ́, onye ọ bụla ga-eje ahịa Orie, je zụọ ahịa Orie Àjụ́. A zusịa ahịa Orie Àjụ́, ụmụ okorobịa na-akpọ egwu n'ahịa nakwa na be ha dị iche iche iji nabata emume Àjụ́. E mesịa nke a, ụbọchị Nkwọ na-abịa ma a zusịa ahịa Orie Àjụ́ abụrụ ụbọchị mmemme alụmdi na nwunye. N'ụbọchị mmemme alụmdi na nwunye a, ezinụlọ ọ bụla na-ebi n'udo ga-esonyerịrị na mmemme a iji gosi na obi dị ha mma n'ihe banyere alụmdi na nwunye ha n'obodo Ugwulangwu.

Site n'ajụjụ ọnụ a gbara Osi (2023), e mesịa mmemme alụmdi na nwunye a n'ụbọchị Nkwọ ahụ, echi ya abụrụ Eke Àjụ́. Ọ kọwara na bido n'ụbọchị Eke a, agaghị enwe ọgbakọ obodo ọ bụla belụsọ ọgbakọ ezinụlọ.Nke a bụ maka na ndị obodo Ugwulangwu kwenyere na mmụọ ndị ichie ha abatala, nke bụ na o nwere ihe mmadụ ga-eme ma ọ bụ ụdị ọgbakọ a ga-enwe, ndị ichie etigbuo onye ma ọ bụ ndị ahụ, nke ga-ebute ajọ ọnwụ n'obodo Ugwulangwu. Ede (2023; ajụjụ ọnụ) kwuru na ụbọchị na-esote eke Àjụ́ bụ ụbọchị emume Ajụ kpọmkwem n'obodo Ugwulangwu. O kwuru na e jighi ụbọchị a achụ aja; ọ bụ emume Àjụ́ ka a na-eme kpọmkwem n'ụbọchị a.

Site n'ajụjụ ọnụ a gbara Ede (2023), n'ụtụtụ ụbọchị Àjụ́, bido n'elekere asatọ nke ụtụtụ, ahịa Orie Àjụ́ na-ebido zụwa. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na ahịa Orie Àjụ́ a bụ ahịa a na-azụ otu ugboro n'afọ nke bụ n'ụbọchị emume Àjụ́. Ọ bụ nke a mere onye ọ bụla nọ ndụ nọruo ụbọchị emume Àjụ́, ọkachasị ndị okenye karala ńkā nke ukwuu na-enwe oke aṅụrị, na-ekele Chukwu n'ihi na ha dị ndụ nọruo ụbọchị a, gbaa afọ ma na-achọ ịba n'afọ ọhụrụ (echi ya). O kwuru na ọ bụ nke a mere a na-ewe ụbọchị emume Àjụ́ dị ka oke ụbọchị n'obodo Ugwulangwu. O kwukwara n'oge ụtụtụ ụbọchị emume

Àjụ́ ahụ, ihe na-eju n'ahịa Orie Àjụ́ na-abụkarị anụmanụ dị ka ewu, ọkụkọ, nkịta na ebule.O kwukwara na ndị òtù egwu niile, dibịa niile, ndị Nze na Ọzọ na ndị òtù okenye Ugwulangwu (ndị ọgịrịnya Ugwulangwu) na-ezukọ n'ahịa Ugwulangwu ebe a zụrụ ahịa Nkwọ Ẹgụnwagbọọ, nwee nke nke ọgbakọ. Tupu ha emesịa ọgbakọ ha, ndị mmadụ ga-ezukọgorịị n'ahịa ebe ahụ. Ha mesịa ọgbakọ ha, ha na ndị ahụ zukọrọ maka emume Àjụ́ na-eso jee n'obi eze ndị Ufuọtarụ kelee ya. Eze ndị Ufuọtarụ ga-esozi ha, tinyere ndị otu ọchịchị ya gaa n'ebe a na-akpọ Akpameka. Akpameka dị na nkewa Ugwulangwu nke abụọ bụ Mgbom Ugwulangwu. Ọ bụ n'Akpameka ka a ga-anọ nabata ndị ọbịa niile, ya bụ ndị niile abụghị ndị Ugwulangwu si esi bịa maka emume Àjụ́, nye ha ọjị. A ga-anọkwa n'Akpameka nye obere okwu iji kọwaara ndị ọbịa etu esi eme emume Àjụ́ nke ha bịara isonye mee. E mesịa nke a, e were ọjị gọọrọ ndị ọbịa nakwa mmadụ niile bịara Akpameka ọfọ ndụ. Ọ bụ eze ndị Mgbom na-eme nke a. Nke a gasịa, a ṅụọ mmanya, gbaa egbe iji mee ka ndị nọ n'ahịa Orie Àjụ́ mara na abatawala ahịa Orie Àjụ́. Ndị niile nọ n'Akpameka ga-esozi eze ndị Mgbom na eze ndị Ufuọtarụ gbadawa n'ahịa Orie Àjụ́. A na-agba egbe mana agaghị agba egbe n'ime ahịa Orie Àjụ́. E risịa, ṅụsịa na mgbede ụbọchị emume Àjụ́, a gbasaa, onye ọ bụla alaa n'ụlọ ya mana a ka nwere ike ịga na be ndị mmadụ kelee ha.

Echi ya bụ Afọ na-abụ ụbọchị Afọ Àjụ́. Afọ Àjụ́ bụ ụbọchị dịkarịsị nsọ n'obodo Ugwulangwu. Ọ bụ ụbọchị a na-atụkarịsị egwu n'obodo Ugwulangwu maka na ndị mmụọ dị iche iche na-anọ n'ebe niile; ndị nwụrụ ọnwụ ike, ndị kara nka tupu ha anwụọ, na mmụọ ndị ọzọ gasị. N'ụtụtụ ụbọchị afọ a, ndị nne niile na-esi ezigbo nri dị mma nke a na-akpọ Nri Àjụ́, bugara nne na nna mụrụ ha. Eze (2023; ajụjụ ọnụ) kwuru na ọ kụọ elekere isii nke mgbede n'ụbọchị afọ Àjụ́ ahụ, o nwere omenala ndị ọzọ a na-eme dị ka ịchụ aja a na-akpọ ịkpọ oonu n'olu Ugwulangwu. Ịkpọ oonu bụ inye ndị mmụọ nri. O kwuru na o nwere nri a ga-esi nye ndị mmụọ; ndị ezigbo mmụọ na ndị ajọ mmụọ. O kwukwara na a na-eji aka nri nye ndị ezigbo mmụọ nri, were aka ekpe nye ndị ajọ mmụọ nri nke ha.

Nke a gasịa, onye ọ bụla ga-alaghachi na be ha dị iche iche, mụrụ anya. Ndị nchụ aja afọ bụ ndị a na-akpọ Ụmụazụm Egbaanị Mgbom, ndị Ufuuma. A na-akpọ ha ndị be Nwabakpa. Ọ bụ ha nwe

arụsị e ji akpọtu afọ. E nwere ọtụtụ ihe dị iche iche ha na-emegasị n'okwu arụsị ahụ tupu abalị ahụ eruo mana ọ bụ n'abalị ahụ ka ha niile na-abịa n'isi njedebe. E nwere ọtụtụ aja ha na-achụ nakwa ọtụtụ anwansi ha na-eme n'ime abalị ahụ dị ka ikpe ikpe afọ na ịjụ ase otu afọ na-abịa ga-adị. Onye isi nchụ aja mesịa ihe niile ndị a, o zigara ndị na-agba egbe ozi, ha agbaa egbe afọ. Egbe afọ daa, ọ bụrụ na a kpọtuola afọ ọhụrụ. Ozugbo a kpọturu afọ, afọ agawaziere onwe ya. Otu afọ si agara onwe ya bụ na a kpọtuo afọ, mbara ọ bụla na mpaghara Ugwulangwu ọ bụla ga-arịọta afọ. Otu e si arịọta ya bụ na nwaanyị ọ bụla na mbara ọ bụla ga-ebupụta ikwe na aka odo o ji esu ofe, na-enweghị ihe ọ bụla dị n'ime ya na-esu. Dị ka ọ na-esu aka odo n'ime ikwe ahụ, ọ ga na-ekpe ekpere, na-ekwu ka afọ gbara aka laa n'udo ma ka afọ ọhụrụ ka mma. Ọ ga na-ekpe ekpere ọma dị iche iche na-ekwupụta ọchịchọ obi ya banyere afọ ọhụrụ a na-abanye na ya. Dị ka ọ na-eme nke a, nwaanyị bi na mbara nọdebere ya nso ga-aghọrọ afọ, ya bụ, ọ ga-ebido suwe ikwe na aka odo nke ya, kpewekwa ekpere nke ya. Iwu megidere nwaanyị bi na mbara ịrịọta afọ ma ọ bụrụ na mbara bu ha ụzọ arịọtabeghi afọ. Ọ bụ n'agbata elekere abụọ nke ụtụtụ na elekere anọ nke ụtụtụ ka a na-eme nke a. Ụlọ ụka niile dị n'obodo Ugwulangwu na-agba mbọ hụ na ha mechiri nzukọ ọbụla maọbụ ekpere ọbụla ha nwere n'ụbọchị a n'oge tupu afọ abịawa iji wezuga ime mkpọtụ ọbụla ga-eme ka a ghara ịnụ mgbe e kwesịrị ịrịọta afọ.Eze (2023; ajụjụ ọnụ) kwukwara na dị ka nwaanyị bi na mbara ọ bụla na-arịọta afọ, nwoke bi na mbara ahụ ga-amụta ọkụ, were ya ga tụpụ n'ihu mbara ha. Ihe a na-akpọ nke a bụ ịtụ ọkụ afọ.A tụsịa ọkụ afọ, a mara na a banyela n'afọ ọhụrụ n'obodo Ugwulangwu. E mesịa nke a, onye ọ bụla ana-aṅụrị, na-ekele Chukwu n'ihi na a banyela n'afọ ọhụrụ. Ndị mmadụ ga na-ekwekọrịta ekele, na-anabata onwe ha n'ime afọ ọhụrụ.

**Uru emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu bara**

Uru emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu bara gụnyere ndị a:

- **Ọ na-akwalite ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya:** Site na nlọta na mbịakọrịta ọnụ mmadụ niile n'obodo Ugwulangwu, emume Àjụ́ na-akwalite ezi mmekọrịta na ọdị mma n'etiti mmadụ na ibe ya. Nke a bụ n'ihi na mmadụ niile n'obodo Ugwulangwu na-abịakọta ọnụ iji mee emume Àjụ́ ma mee ya n'ụzọ pụrụ iche ma dị elu.
- **Nkwalite na ntolite omenala ndị obodo Ugwulangwu:** Emume Àjụ́ na-akwalite omenala ndị Ugwulangwu nke ukwuu n'ihi na ọ na-enye aka eme ka omenala ndị obodo Ugwulangwu na-adị ìrè. Ọ na-emekwa ka omenala ndị Ugwulangwu ghara ịnwụ n'ihi na site na nlọta ndị mmadụ na-alọta na-eme ka uche ha lọta ụlọ tụmadị n'omenala na usoro obibi ndụ ime obodo ha. Site n'ọbịbịa ndị ọbịa maka emume Àjụ́, omenala ndị obodo Ugwulangwu na-etowanyekwa.
- **Ọ na-ewetakwa ùgwù na ezi mmekọrịta n'etiti ndị obodo Ugwulangwu na obodo ndị ọzọ gbara ha gburu gburu:** Site n'emume Àjụ́, obodo ndị ọzọ gbara ndị obodo Ugwulangwu gburu gburu na-abịa n'obodo Ugwulangwu bịa sonyere ndị obodo Ugwulangwu n'oge emume n'ihi ọpụrụ iche ya. Nke a na-eweta ùgwù na nsọpụrụ nye obodo Ugwulangwu.
- **Emume Àjụ́ nke ndị obodo Ugwulangwu na-eme ka a mara mbido na ngwụcha afọ n'obodo Ugwulangwu:** Emume Àjụ́ bụ emume ndị obodo Ugwulangwu na-eme iji mechie ma banye n'ime afọ ọhụrụ. Nke a na-eme ka ndị obodo Ugwulangwu nwee ike ịgụ afọ ha n'ihi na ọ bụrụ na emume Àjụ́ adịghị n'obodo Ugwulangwu, agaghị enwe ike ịgụ afọ n'obodo Ugwulangwu.

**Ọghọm dị n'emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu**

Dị ka emume Àjụ́ si nwee ọtụtụ uru ọ bara, o nwekwara ọghọm dị n'emume Àjụ́.Ọghọm ndị a gụnyere:

- **Ọ na-ebute oke ekworo na anya ụfụ n'obodo:** Emume Àjụ́ nke ndị obodo Ugwulangwu bụ emume e nwere ike isite na ya mata ógó mmadụ n'obodo n'ihi na ọ bụ emume a na-eme n'ezi. Nke a na-ebute ekworo na anya ụfụ n'otu ụzọ ma ọ bụ ọzọ.
- **Ọ na-ebute ihe mberede okporo ụzọ:** Site na mbata nakwa oke ngaghari na mgbaghari na-adị n'oge emume Àjụ́, a na-enwe ihe mberede okporo ụzọ nke nwere ike ibute ọnwụ na ihe mmerụ ahụ n'ebe ndị mmadụ nọ tụmadị n'ebe ndị obodo Ugwulangwu nọ.
- **Oke mmefu ego:** Emume Àjụ́ na-ebute óké mmefu ego. Nke a bụ otu n'ime ọghọm dị n'emume Àjụ́ nke ndị obodo Ugwulangwu n'ihi na emume Àjụ́ na-ewe oke ego n'ebe ọgaranya nọ ma n'ebe ogbenye nọ n'ihi na o nwere ọtụtụ ihe na-eri ego nke bụ iwu na onye ọ bụla ga-emerịrị ya n'agbanyeghị ogo gị tụmadị n'ebe ego dị, dị ka igbu ewu Àjụ́. Oge ụfọdụ, ụfọdụ na-ebite ego iji hụ na ha mezuru ihe ndị ahụ bụ iwu na a ga-emerịrị na mmepụta emume Àjụ́ nke ndị obodo Ugwulangwu.

N'ikpeazụ, emume Àjụ́ na-ebutekwa ajọ ihe dị iche iche n'obodo Ugwulangwu dị ka izu ohi, ụfọdụ ụmụ agbọghọ ịtụta ime tụmadị n'aka ụmụ okorobịa ha hụtara n'ụbọchị Nkwọ Ẹgụnwagbọọ. Ọ na-ebutekwa ajọ obi na iro n'etiti mmadụ na ibe ya.

**Nchịkọta na mmechi**

Emume bụ ihe egwuregwu nke mmadụ na ibe ya ji emekọrịta, bụ nke enweghị ike ime mgbe ọ bụla. Ọ bụ oge mmemme dịka obodo si kwadobe; a na-agbakwụnye ya ihe ịchọ mma dị iche iche. Ọtụtụ ndị ọka mmụta ekwuola ma dekwaa ọtụtụ ihe gbasara emume mana otu ihe doro ewu na ọkụkọ anya bụ na obodo ọbụla nwere emume e ji mara ha. Nke a mere o ji dị mkpa inyocha emume Àjụ́obodo Ugwulangwu nke steeti Ebọnyị.Nchọcha a lebara anya n'emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu, usoro emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu, uru emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu bara na ọghọm dị n'emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu.

Na nchọcha a, e lebara anya n'ihe bụ emume Àjụ́ na etu emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu si malite. Emume Àjụ́ bidoro site n'agha ndị obodo Ugwulangwu na mpaghara ndị ọzọ n'okpuru Ọhaọzara lụrụ. A hụtara na ndị Ugwulangwu kwenyere na anwụrụ ọkụ si n'ihe a na-akpọ ẹkị̀rị̀kọ n'obodo Ugwulangwu kpuchitere ha n'aka ndị iro bịara ibuso ha agha. Ha kpokọrọ ntụ ẹkị̀rị̀kọ́ ahụ, chụọrọ ya aja, gụọ ya Àjụ́ Ugwulangwu, ma kwekọrịta na a ga na-eme emume Àjụ́ kwa afọ iji chụọrọ ntụ ẹkị̀rị̀kọ́ ahụ aja ma chetara ya ọrụ ọma ọ rụrụ ha site n'ikpuchite ha n'aka ndị iro ha. Ọ bụ otu a ka emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu si malite. A chọpụtara na emume Àjụ́ bụ emume ndị Ugwulangwu na-eme nke na-eme ka obodo na-ekpo ọkụ ma na-akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya nakwa ijigide omenaala.Nke a gosipụtara na dị ka emume Àjụ́ nke ndị Ugwulangwu, emume na mba ụwa niile bụ nke kwesịrị ka obodo ọ bụla tinye uchu na ya ma na-emepụta ya n'ụzọ dị ukwu n'ihi na site n'emume, omenala obodo ọbụla na-etowanye ma na-adịkwa ire.

**Nrụmaka**


Agụ, A. (2021). Nsogbu dị n'emume otu nzuzo Odo maka nkwalite ọnọdụ na ebimndụ n'obodo Akụ. Arụmarụ nzere B.A, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa, Mahadum nke Naịjirịa, Nsụka.

Brandt, N. (2012). *Greek and Roman festivals: Content, meaning and practice*. Oxford: Oxford University Press.

Eze, L. O. (2022). Emume Egọrịgọ dịka omenaala Ụmụodeju dị na Nguru Nsụka. Arụmarụ nzere B.A, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa, Mahadum nke Naịjirịa, Nsụka.

Haine, W. S. (2006). *Culture and customs of France*. London: Greenwood Publishing Group.

Nnakee-Godwins, I. P. (2022). Emume Edearọ n'Abagana. Arụmarụ nzere B.A, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa, Mahadum nke Naịjirịa, Nsụka.

Ofomata, C. E. (2012). *Omenaala na ọdịnaala ndị Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Ogbalu, F. C. (1974). *Igbo etiquette*. Onitsha: University Publishing Company.

Oniru, J. (2017). *EYO: Its purpose and role in the history of Lagos*. London: Kessinger Publishers.

Spencer, H. (1898). *The functionalist perspective to social science.*Nke e wetara na Febụwarị, 19, 2021 site na *https://socialsci.libretexts.org*.

Ugwu, C. C. (2015). Mmemme Omabe na Lejja. Arụmarụ nzere B. A, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ, Mahadum nke Naịjirịa, Nsụka.

## NDỊ A GBARA AJỤJỤ ỌNỤ

| **Ọnụọgụ** | **Aha ndị a gbara ajụjụ ọnụ** | **Aha obodo ndị a gbara ajụjụ ọnụ** | **Afọ** | **Aka ọrụ** | **Ụbọchị a gbara ajụjụ ọnụ** |
|---|---|---|---|---|---|
| 1. | HRH. R. F. Iyiọkụ | Ufuọtarụ | Afọ iri itoolu na abụọ | Eze obodo | 08/01/2023 |
| 2. | Maazị Nwaji Ugwu | Amene | Afọ iri itoolu na ise | Ezumike nka | 08/01/2023 |
| 3. | Odoziakụ Nwanneka Osi | Amandim | Afọ iri ise na atọ | Onye nkụzi | 28/12/2022 |
| 4. | Maazị Okoro Joseph | Ọhọfịa | Afọ iri ise na isii | Ọrụ oyibo | 07/01/2023 |
| 5. | Odoziakụ Nwịnyịnya Okoro | Amene | Afọ iri ise na itoolu | Onye ọrụ ugbo | 28/12/2023 |
| 6. | Odoziakụ Nnenna Nwite | Ọhaechara | Afq iri ise na otu | Ọrụ oyibo | 04/01/203 |
| 7. | Maazị Okoronkwọ Nwezaa | Ufuọtarụ | Afọ iri asatọ na atọ | Ọzọ obodo | 09/01/2023 |
| 8. | Maazị Ọtanụ Okorie | Amaogudu | Afọ iri itoolu na anọ | Ezumike nka | 03/01/2023 |
| 9. | Odoziakụ Nkemdirim Nwankwọ | Mgbom | Afọ iri ise na otu | Onye nkụzi | 29/12/2022 |
| 10. | Maazị Ede Nwani | Amene | Afọ iri ise | Azụmahịa | 22/12/2022 |
| 11. | Maazị Okoro Agụeze | Amene | Afọ iri isii na asaa | Ezumike nka | 05/01/2023 |
| 12. | Odoziakụ Ngọzị Rufus | Amata | Afọ iri ise na abụọ | Onye ọrụ ugbo | 13/04/2023 |
| 13. | Maazị Jedidiah Irem | Ụmụigboke | Afọ iri ise na asatọ | Onye ọrụ ugbo | 04/04/2023 |
| 14. | Hon. Ede Paul Agbafor | Amene | Afọ iri isii | Onye isi oche obodo | 22/01/2023 |
| 15. | Maazị Paul Eze | Amenu | Afọ iri asaa na otu | Ezumike nka | 07/01/2023 |